# Ozi na nhazi data

## Nhazi onyonyo maka ebumnuche nnyocha

## dịka ọ dị na isiokwu 13 na 14 nke Iwu Ozuruọnụ maka Nchedo Data (DSGVO)

**Aha na nkọwa mkpọtụrụ nke onye njikwa:**

Bundesamt für Fremdenwesen und Asyl (Ụlọọrụ Gọọmenti Etiti nke Immigrashọn na Nnabata mgbaba ịze ndụ)
Modecenterstraße 22, 1030 Wien
Ekwentị: +43- 59 133 98 7004
Faksị: +43- 59 133 98 7399
ozi-e: BFA-Einlaufstelle@bmi.gv.at

**Nkọwa mkpọtụrụ nke onye nchedo data:**

Ekwentị: +43- 59 133 98 - 0
ozi-e: BFA-Datenschutzbeauftragter@bmi.gv.at

**Ihe ndị kpatara maka nhazi ahụ, nke anyị chọrọ iji data onwe ahụ maka:**

Ịse onyonyo ụzọ mbata nke ezoro ezo n'iji koodu, na-agụnye ebe ndị mmadụ nwere ike ịnweta ụlọ nchịkwa na-enwe oge a na-emepe, ejiri naanị site na onye ọka iwu ọha na eze dịka onye njikwa; ma ọ bụ ụzọ mbata ọzọ na-agụnye ebe ndị mmadụ nwere ike ịnweta ngalaba nke otu ụlọ edoziri iche ma ejiri ọnụ site na ndị ọzọ dịka ụlọ nchịkwa (ọmụmaatụ ọkara nke ụlọ ahụ, otu ala) site na onye ọka iwu ọha na eze dịka onye njikwa, yana ihu ụlọ nchịkwa nwere site na onye ọka iwu ọha na eze dịka onye njikwa ndozi onyonyo ahụ, ma ọ bụ ndị nke ga-aza maka mmebi ọ bụla na ihu ụlọ nchịkwa ahụ, maka ebumnuche nkwado akụ, ndụ na ahụike nke ndị mmadụ nwere mmekọrịta n'okpuru iwu na ndị ọchịchị na-eme nkwekọrịta ahụ, mgbochi, mmachi na mmezi omume megide iwu ọ bụla, nke nwere ike ịmetụta zrụ ndị ọchịchị ahụ, ma nke nyochara mgbe ọ dabara dịka akọwara site na ebumnuche ahụ, na nke nkwere ịse onyonyo na-eso isiokwu 12 nke Iwu Nchedo Data (DSG).

**Ndabere n'okpuru Iwu maka nhazi ahụ:**

Isiokwu 12, 13 nke Iwu Nchedo Data (DSG); isiokwu 353 ff na isiokwu 1157 nke Koodu Ụmụ amaala (ABGB); isiokwu 3 nke Iwu Nchedo Ndị ọrụ Gọọmenti Etiti (B-BSG); isiokwu 80 nke Koodu Usoro Ihe Mpụ 1975 (StPO)

**Ogologo nke oge aga-echekwa data ahụ:**

Awa 72 hours ọ bụrụ na agaghịzi achọ ụdị data ahụ maka nzube maka nke esere ha

**Ụdị nke ndị na-enweta data onwe:**

Ndị ọchịchị ruru dika ikosanye ugwu, ụlọ ikpe ruru eru (maka ịchekwa ihe akaebe n'ikpe mpụ); ụlọọrụ nche (maka nzube amamiihe); ụlọ ikpe (maka nchekwa ihe akaebe n'ikpe ụmụ amaala), ụlọọrụ inshọransị (maka mmezi arịrịọ inshọransị)

**Ikike ndị nke onye na-enwe data ahụ:**

Ikike iji mee mkpesa na Ndị ọchịchị Ọstrịa maka Nchedo Data (1080 Wien, Wickenburggasse 8, ekwentị +43 1 52 152-0, ozi-e dsb@dsb.gv.at) ga-adị dịka ọ dị na isiokwu 24, nkeji edemede 1 nke Iwu Nchedo Data (DSG).

Akọwara ikike nke nnweta na isiokwu 15 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke imezi na isiokwu 16 nke DSGVO.

Akọwara ikike nke ehichapụ (‘ikike iji chefuru otu onye’) na isiokwu 17 nke DSGVO.

Enweghị ikike iji rụ ụka dịka ọ dị na isiokwu 21 DSGVO ma ọ bụ ikike na mgbochi nhazi data dịka ọ dị na isiokwu 18 nke DSGVO ga-adị na nhazi data onwe dịka ọ dị na Iwu Gọọmenti Etiti na Inye Nlekọta & Ọrụ Nkiti na Ndị na-achọ Nnabata mgbaba ịze ndụ na Ndị ọbịa Ruru eru.